MKPỤRỤỤDAASỤSỤ NA MKPỤRỤASỤSỤ: MYIRI HA NA MKPA HA DỊ N'ASỤSỤ IGBO.

Si N'Aka
Ngozi AnyakuKanu.
Department of Igbo, African and Asian Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka.
Email: kanungozi87@gmail.com

Ụmị edemede
Ọtụtụ ndị mmadụ ji asụsụ eme ihe, mana ọ bụghị ọtụtụ n'ime ha maara maka ihe ndị na-emebe asụsụ. Ihe ndị na-emebe asụsụ anyị na-asụ asụ na-esite na mkpụrụụdaasụsụ nakwa mkpụrụasụsụ. Ha abụọ si n'amụmamụ Lingwistiiks n'alaka ọdịdị ụda asụsụ na mmebe okwu. N'imebe okwu ka ha abụọ na-adị mkpa, site na mmekọrịta dị n'etiti ha. Mana ọ bụghị onye ọ bụla maara ụdị mmekọrịta dị n'etiti ha nke na-emepụta asụsụ anyị na-ahụ anya. Ọ bụghịkwanụ imerime mmadụ maara ụdị mkpa mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ dị n'asụsụ Igbo. Ọ bụ ya kpatara anyị jiri chọọ ime nchọcha n'isiokwu a bụ "Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ: Myiri ha na mkpa ha dị n'asụsụ Igbo". Ebumnuche anyị ji maka ya eme nchọcha a dị anọ. Nke mbụ bụ ịkọwa ihe bụ mkpụrụụdaasụsụ. Nke abụọ bụ ikọwa ihe bụ mkpụrụasụsụ. Nke atọ bụ izipụta myiri dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ. Nke anọ ma bụrụ nke ikpeazụ bụ ịkọwa mkpa ma ọ bụ uru mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ bara n'asụsụ Igbo. Usoro anyị ji eme nchọcha a bụ usoro nkọwa. Atụtụ anyị ji mee nchọcha a bụ atụtụ Nkọwa ụtọasụsụ (descriptive grammar theory). Anyị chọpụtara na ọ bụ site na mkpụrụụdaasụsụ ka e si enweta mkpụrụasụsụ. Ya mere nchọcha a ga-abụ enyemaaka nye ndị nkụzi, ụmụakwụkwọ, ndị odee akwụkwọ Igbo na ndị ọzọ nwere nmasị n'asụsụ.

1.0 Okwu mmalite

E nwere ọtụtụ okwu dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ọ bụkwa etu ahụ ha siri dịcha iche ka mmebe ha siri dịkwa. Okwu ọ bụla e nwere n'asụsụ Igbo nwere etu e si enweta ya. A bia n'ụtọasụsụ igbo, e nwere mkpụrụụdaasụsụ(Fọnịm) na mkpụrụasụsụ (Mọfịm). Mkpụrụụdaasụsụ bụ ụdaasụsụ kachasị nta nke na-ebute ndịiche na nghọta okwu. Etu a mkpụrụụdasụsụ siri bụrụ ụdaasụsụ kachasị n'okwu ka ka mkpụrụasụsụ siri bụrụ mpekele mkpụrụokwu kachasị mkpa n'imebe okwu e ji asụ asụsụ. Ha abụọ bụ a hụghị ete ma e tela nkwụ n'asụsụ Igbo; ya bụ, ha abụọ dị nnukwu mkpa nyere asụsụ Igbo.

Mkpa ha abụọ dị na uru ha na-abara asụsụ Igbo na-esite na mmekọrịta na-adị n'etiti mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ ikọwa ụdị njikọrọ na mmekọrịta a so

n'ihe anyị ji eme nchọcha a. Ihe ọzọ dịkwa mkpa bụ ime ka anyị mata mkpa ha abụọ dị n'asụsụ Igbo. I mata mkpa ndị ahụ ga-abara ndị nwe asụsụ uru. Ọ bụ ya kpatara anyi jiri chọọ ime nchọcha n'isiokwu a bụ " Mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ: myiri ha na mkpa ọ dị n'asụsụ Igbo". Ebumnuche ndị anyị ji maka ha eme nchọcha a dị anọ. Nke mbụ bụ ikọwa ihe bụ mkpụrụụdaasụsụ. Nke abụọ bụ ikọwa ihe bụ mkpụrụasụsụ. Nke atọ bụ izipụta myiri dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ. Nke anọ ma bụrụ nke ikpeazụ bụ ikọwa mkpa ma ọ bụ uru mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ bara n'asụsụ Igbo. Usoro anyị jiri mee nchọcha a bụ usoro nkọwa. Atụtụ anyị ji mee nchọcha bụ atụtụ mkpụrụokwu.

Usoro anyị gbasoro were hazie edemede nchọcha a gụnyere: okwu mmalite: Nke a bụ ebe anyi kọwara etu anyị siri hazie nchọcha a. Onye ọ bụla gụrụ okwu mmalite a ga-ama ihe ndị dị n'ime akwụkwọ a na nke na-adịghị ya. Na ntụlegharị agụmagụ: ka ndị nchọcha depụtachara ihe ndị mmadụ kọwara bụ Asụsụ, Lingwistiiks, Ọdịdị ụdaasụsụ, mmebe okwu, mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ ma chịkọta ha niile ọnụ were wepụta nkọwa nke ha. Ntụcha ọ bụ na nchọpụta nchọcha: ndị nchọcha deturu ihe niile ha chọpụtara gbasara isiokwu a na-eme nchọcha na ya. Ọ bụkwa ebe a ka a na-elekwasị ndị nchọcha anya ịkọwa ihe bụ isiokwu ha nke ọma ma nyekwa ọmụma atụ etu ọ ga-edo anya. Na nchịkọta nchọpụta nchọcha ka ndị nchọcha chịkọtara ihe niile ha chọpụtara etu ọ ga-edo anya ma mechie ya. Ndị nchọcha a ga-abara uru gụnyere:

Nchọcha a ga-enyere ndị nkụzi asusụ Igbo aka iji chọpụta usoro ka mma iji akụzi mkpụrụokwu. Nchọcha a ga-eme ka ha mata uru mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ bara n'ebe mkpụrụokwu dị, ma gbasokwa usoro a mgbe ha na-akụzi mkpụrụokwu. Nchọcha a ga-enyere ha aka iji mee ihe nlere anya mgbe ha na-akụzi maka mkpụrụokwu.

Nchọcha a ga-abara ụmụ akwụkwọ uru ma nyekwara ha aka mgbe ha na-amụ maka mkpụrụokwu. Site na nchọcha a, ụmụ akwụkwọ ga-amata ndịiche na myiri dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ ma gbaa mbọ ihụ na ha dowere iwu na-achị ihe ndị a dị mkpa na-emebe mkpụrụokwu.

Nchọcha a ga-abara ọha na eze uru ọ kachasị ndị jiri asụsụ Igbo kpọrọ ihe. Ọ ga-enyere ha aka ima ụda ndị bụ mkpụrụụdaasụsụ na ndị bụ mkpụrụokwu. Ọ ga-abakwa uru nye onye ọ bụla nwere mmasị ịmụ asụsụ Igbo di ka asụsụ nke abụọ aka. Ọ dị oke mkpa n'ihi na ọ ga-eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo na-aga n'ihu ma dịkwa mfe.

2.0 Ntụlekọrịta Agụmagụ

N'ebe a, nwa nchọcha ga-eleba anya n'ihe ọtụtụ ndị odee derela gbasara isi okwu anyị.

2.1 Asụsụ

Lyons (1981) na-hụta asụsụ di ka ihe anaghị eme mmadụ ndapụta ma bụrụ otu ihe ndị obodo ji eme mmekọrịta n'ogbe ha. Bloomfield (1914) na-ekwu na, ihe niile a na-ejị ekwu okwu n'obodo ọ bụla bụ asụsụ nke dị n'obodo ahụ ma ọ bụ obodo ahụ nwere. Na nkọwa Bloomfield (1981) nyere gbasara asụsụ, ọ gbagidere ụkwụ n'asụsụ ekwuru n'ọnụ ma leghara nke ederede anya. Bloch na Trager (1999) hụtara asụsụ dị ka ihe anaghị ekwu na-amaghị ama. Nke a wee bụrụ ụzọ e ji akparịkata ụka ma bụrụ ihe mmadụ na ibe ya ji ama onwe ha. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:1) na-ekwu na "Asụsụ malitere mgbe mmadụ malitere ndụ n'ụwa. Ọ bụ ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche mghariri ahụ n'ụzọ dị iche iche. Asụsụ bụ kwa ụda olu mmadụ nke a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara, nke na-abụghị ebumpụta ụwa nke mmadụ mebere e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede".

Lyons (1981) na-ekwu gbasara asụsụ dị ka ihe mmadụ kpachapụrụ anya wee sụọ, nke e ji akparịta ụka n'ogbe. Bloomfield (1914) gbadoro ụkwụ n'asụsụ wee na-abata okwu Lyons (1981) na ọ bụ n'obodo ka a na-asụ asụsụ. Bloch na Trager (1999) na ekwenyere Lyons (1981) na mmadụ na-akpachapụ anya asụ asụsụ. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019) gbadoro ụkwụ n'asụsụ wee na-akwado okwu Lyons (1981) na ọ bụ ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche mghariri ahụ n'ụzọ dị iche iche.

Site n'okwu odee ndị a, o doro anya na asụsụ bara uru. Uru ọ na-aba na-esite n'ọtụtụ ihe ndị mmadụ na-akpachapụ anya e ji ya eme n'obodo. E zipụtara n'ihe a bụ asụsụ nwere ebe dị iche iche e hiwere n'ahụ mmadụ e ji emepụta asụsụ, nke a na-akpọ ọgan okwu.

2.2 Lingwistiks

Kingstan (2007) na-akọwa Lingwistiiks di ka amụmamụ gbasara asụsụ. Lingwistiiks na-ekwu maka usoro e si ahazi asụsụ ya na iwu ndị na-achị usoro ahụ ha na-amụ, nke ekwuru n'ọnụ na nke ederede. O kwuru na Lingwistiiks abụghị onye na-asụ ọtụtụ asụsụ ka ma ọ bụ onye na-amụ ihe asụsụ pụtara na ihe ọ na-eme. Opara (2016) na-kọwa Lingwistiiks bụ ị gbaso usoro sayensị were mụọ asụsụ , ọ na-akọwa asụsụ na etu ha si arụ ọrụ. Lingwistiiks bụ ịmụ nsogbu asụsụ na-enwegasị. Lingwistiiks bụ ịgbaso usoro sayensị n'ihi ọ na-ekwu maka ntụcha nchọpụta na nkọwa ha, nke na-enyere onye na-amụ asụsụ di ka nke abụọ aka. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na-ahụta lingwistiiks di ka onye mara

ọtụtụ asụsụ. Mana onye Lingwistiks bụ onye nweretara amamihe na usoro a ga-eji kọwaa asụsụ. Nke a bụ iji ụzọ saynesị akọwa asụsụ. Ndimele (2003) na-ekwu na alaka na-amụ maka asụsụ bụ Lingwistiiks. O bụ ya na-amụ maka asụsụ niile e nwere n'ụwa. Ha wepụtara ụzọ ihe anọ a ga-elekwasị anya mgbe a na-emebe asụsụ. Ha bụ ọdịdị ụdaasụsụ, mmebe okwu, usoro okwu na nghọta okwu. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:19) na-ekwu na Lingwistiiks bụ mpaghara ọmụmụmụ gbakwasara ụkwụ n'isite n'ụzọ sayensị mụọ maka asụsụ. O jee n'asụsụ, ihe ọ na-achọ ịmata bụ ọdịdị ya, agwa ya na njirimara ya. Ọ na-elebakwa anya n'ụdaasụsụ,mkụrụokwu na ụtọasụsụ ahụ, na-achọkwa ịmata mmetụta ma ọ bụ njikọtara dị n'etiti asụsụ ahụ na ibe ya.

Kingstan (2007), Opara (2016), Anagbogu, Mbah na Eme (2010), Ndimele (2003) na Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019) kwerikọtara na lingwistics bụ igbaso ụzọ sayensị were mụọ asụsụ. Site na ntụleghaṛị okwu odee ndị a, o doro anya na lingwistiks bụ alaka asụsụ gbagidere ụkwụ were na-akọwa onwe ya. Lingwistiiks nwere alaka dị iche iche nke e ji ahazi asụsụ, ha gụnyere: Ụdịdị ụdaasụsụ, Ọdịdị udaasụsụ, Mmebe okwu, Usoro okwu na Nghọta okwu. Mana ebe nchọcha gbadoro ụkwụ bụ na ọdidị ụdaasụsụ na mmebe okwu.

2.2.1 Ọdịdị Ụda asụsụ (Fọnọlọji)

Odden (2013) na-akọwa ọdịdị ụdaasụsụ di ka mpaghara Lingwistiikw nke na-amụ maka ụda n'asụsụ ọ bụla ma ziputa etu e si emepụta ụda n'ụdịdị ya. Ha chọpụtara na odịdị ụdaasụsụ bụ ndịiche a na-enwta n'ụda. Crystal (2003) na-akọwa ọdịdị ụdaasụsụ di ka ọmụmụ ọdịdị ụda n'asụsụ nke dị iche n'ọmụmụ usoro okwu na mmebe okwu. Crystal (2005) na-ekwu na ọdịdị ụdaasụsụ bụ ọmụmụ ịchọpụta ụda ndi e nwere n'asụsụ. Nathan (2008) na-ekwu na ọdịdị ụdaasụsụ bụ iwu na-achị mkpụrụụdaasụsụ nke bụ ụdị ụda asụsụ nwere ike inwe ndị ụda ha na-anaghị apụtacha na mkpatara ya. Osuagwu, Nwaozuzu, Dike, Nwaogu na Okoro (1997) na-akọwa na ọdịdị ụdaasụsụ a na-akpakọ ụda ọnụ di ka otu ha siri yie onwe ha. A họpụtara mkpọpụta ụda ndị e ji arụkarị ọrụ ebe ndị a na-anaghị e ji arụkarị ọrụ ma ọ bụ na-adịchaghị mkpa ka e leghara anya. Roach (2000) na-kọwa ọdịdị ụdaasụsụ dị ka ngalaba na-amụ maka mkpọpụta ụda dị n'asụsụ na ọrụ ha na-asụsụ ọ bụla ha batara. Ihe gbasara ọdịdị ụdaasụsụ na-agbakwasị ụkwụ na mkpụrụụdaasụsụ. Ume , Ugoji, na Dike (2006) na-ekwu na-ọdịdị ụdaasụsụ bụ omụmụ njirimara usoro ụdaasụsụ. ọ bụ ọmụmụ saynsị ụdaasụsụ nke na-ebute nghọta dị iche na mkpụrụokwu na ibe ya. Ụdị ụdaasụsụ a nke na-ebute nghọta dịiche na mkpụrụokwu abụọ yiri onwe ha ma e wezuga otu mkpụrụụda ka a na-akpọ fọnịm. Site n'ọtụtụ ihe ndi ọkammụta kwurula gbasara ọdịdị ụdaasụsụ, a chọputara na ọ bụ n'ọdịdị ụdaasụsụ ka mkpụrụụdaasụsụ siri pụta.

Odden (2013), Crystal (2003), Nathan (2008), Osuagwu, nwaozuzu, Dike, Nwaogu na Okoro (1997), Ume, Ugoji na Dike (2006), Crystal (2005) na Roach (2000) na-akọwa ọdịdị ụdaasụsụ dị ka ọmụmụ sayensị ụdaasụsụ nke na-ebute nghọta dị iche na mkpụrụokwu na ibe ya. Ọ bụ ngalaba na-amụ maka mkpọpụta ụda dị n'asụsụ na ọrụ ha n'asụsụ ọ bụla ha batara.

N'ezi e, ọmụmụ ọdịdị ụtọ asụsụ dị iche n'ọmụmụ usoro okwu na mmebe okwu n'ihi na ọ bụ ọdidi ụtọ asụsụ na-ewepụta ụda ndị e nwere na mkpụrụokwu.

2.2.2 Mkpụrụ ụda asụsụ (Fọnịm)

Murray (1995) na-akọwa mkpụrụụdaasụsụ dị ka irighiri ụda ndị ahụ kachasị nta nke na-ebute ndiiche na nghọta. Asusụ dị iche iche nwere mkpurụụdaasụsụ dị iche iche. A naghị ekwu okwu mana anyị ma na ọ dị n'ihi etu mkpụrụụda na-esi arụ ọrụ mgbe e ji ya kwuo okwu. Whitla (2010) na-ekwu na mkpụrụụaasụsụ bụ izipụta ụda ndị ahụ dị iche n'asụsụ. Ụda ndị ahụ na-ekewapụ asụsụ na-ibe ya. Mkpụrụụdaasụsụ bụ ndịiche dị n'ụda nke nwere ike ibute mgba nwe na nghọta. Dixon (2009) mkpụrụụdaasụsụ bụ ụda pụrụ iche a na-enwta n'asụsụ abụọ. N'ikwu eziokwu, atụtụ ọdịdị ụdaasụsụ niile na-kwu na asụsụ a sụrụ nwere ike ịgbasaịsị ma nwee ụda nke bụ mkpụrụudaasụsụ. Trask (2004) na-ekwu na mkpụrụụdaasụsụ bụ ụda ndị ahụ dị karịchara nta, nke nwere ike ịweta mgbanwe na nghọta. Booij (2012) na-ekwu na mkpụrụudaasụsụ bụ ụmụ irighiri mkpụrụokwu (mkpụrụedemede) e nwere na mkpụrụokwu. Ọ bụ ụmụ irighiri mkpụrụedemede ndị a na-ewekọta nghọta ha na ụda ha ọnụ iji were mebe mkpụrụokwu. Ume, Ugoji na Dike (2006:11) na-akọwa mkpụrụụdaasụsụ dị ka ụdaasụsụ kachasị nta nke na-ebute ndịiche na nghọta okwu. E nwere ụzọ ihe abụọ kachasị mkpa e ji amata mkpụrụụdaasụsụ n'asụsụ, ha bụ mbata na myiri na mkpụrụokwu. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:32) na-akọwa mkpụrụụdaasụsụ dị ka ụda dị karịchara nta ma ọ bụ pekarịchara mpe n'ikwu okwu. Ọ bụ ebe mmalite nke abụọ n'amụmamụ ụda asụsụ nke asụsụ ọ bụla, nke a na-edekọta ya na mkpụrụụdaasụsụ ndị ọzọ ọnụ iji mepụta mkpụrụasụsu ma ọ bụ mkpụrụokwu. Ihe ọzọ anyị ga eleba anya bụ mmebe okwu.

Murray (1995), Whitla (2010), Dixon (2009), Trask (2004), Booij (2012), Ume, Ugoji na Dike (2006) na Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019). Na-akọwa mkpụrụụdaasụsụ dị ka ụda kachasị nta nke na-ebute ndị iche na nghọta okwu. Ụda ndị a ana-ekwu maka ya dị iche na mkpụrụedemede. Mkpụrụụdaasụsụ na-anọ n'okwu ọ na-akọwa ebe mkpụrụedemede na-anọrọ onwe ya. Ọ bụrụ na mkpụrụụdaasụsụ anọrọ onwe ya ọ bụghị si mkpụrụụdaasụsụ.

2.2.3 Mmebe okwu (Mọfọlọji)

Booij (2012) na-ahụta mmebe okwu dị ka alaka Lingwistiiks bụrụkwa ihe dị oke mkpa e ji ahazi asụsụ na-amụ maka okwu, mana ebe ọ gbagidere ụkwụ bụ na mkpụrụasụsụ nke bụ irighiri okwu ana-enwta n'asụsụ. Ndimele (2003) na-ekwu na mmebe okwu na-amụ maka ihe miri emi n'okwu. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na-ahụta mmebe okwu dị ka usoro asụsụ nke na-amụ maka mkpụrụasụsụ a haziri nke ọma na mkpụrụokwu. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:30)

"Okwu bụ ụda a haziri ahazi nwere mpụtara. Ọ bụ ụda si n'ọnụ mmadụ pụta nke onye kwuru ya chọrọ ka onye ọ na-agwa ghọta mpụtara dị na ya. "Mmebe" bụ iji echiche chepụta ihe adịbughị na mbụ, o wee malite ịdị. Ya bụ, site n'echiche nchepụta onye ahụ ka e ji nwee ihe e nwebughị na mbụ, o wee malite inwe ihe ahụ. Site na nkọwa a, mmebe okwu bụ etu e si eji uche, chepụta okwu ọhụụ, gbasoo usoro asụsụ ahụ iji hụ na okwu ahụ malitere dịwa, bụrụ ihe e ji asụ asụsụ ahụ. Mmebe okwu Igbo bụ isite n'echiche mmadụ chepụta okwu adịbughị na mbụ, gbasoo usoro e ji emepụta okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo. Iji hụ na okwu ahụrụ ahụ bidoro dịwa, bụrụ okwu ziri ezi e ji asụ asụsụ igbo. Mmebe okwu bụ igbaso usoro iwu asụsụ Igbo wee nweta okwu ọzọ; ya bụ okwu adịbughị na mbụ".

Ume, Ugoji na Dike (2006) na-akọwa mmebe okwu di ka ọmụmụ gbasara mọfịm na etu ha si ejikọ ọnụ emebe mkpụrụokwu. site na nchọcha emere gbasara mmebe okwu, a chọputara na ọ bụ na mmebe okwu ka mkpụrụasụsụ siri pụta. Demson (2008) na-ahụta mmebe okwu di ka ọmụmụ gbasara mkpụrụokwu. Mkpụrụasụsụ bụ irighiri okwu e nwere nke na-enwe nghọta ma a gaghị ekerinwu ya karịa etu ahụ ọ dị. Mmebe okwu na-amụ ihe miri emi dị n'okwu na ka e si emepụta ya nke a bụ ebe Lingwistiiks gbadere ụkwụ eme nchọcha ya gbasara asụsụ ọ bụla.

Booij (2012), Ndimele (2003), Anagbogu, Mbah na Eme (2010), Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:30), Demson (2008) na Ume, Ugoji na Dike (2006) na-ahụta mmebe okwu di ka apaka Lingwistiiks na-amụ maka okwu mana ebe ọ gbagịdere ụkwụ bụ na mkpụrụasụsụ. Ọ na-ewepụtakwa ụda ndị ahụ zoro ezo n'okwu. Mmebe okwu na-amụ gbasara etu mkpụrụasụsu si ejikọ ọnụ emebe mkpụrụokwu. Nke a bụ ịgbaso usoro iwu asụsụ igbo wee nweta okwu ọzọ.

2.2.4 Mkpụrụ asụsụ (Mọfịm)

Kingstan (2007) na-ekwu na mkpụrụasụsụ bụ ụda ndị ahụ kachasị nta ana-enweta n'asụsụ. A naghị ahụta mkpụrụasụsụ di ka mkpụrụokwu. Ihe dị iche iche dị na ha bụ na mkpụrụasụsu mgbe ụfọdụ anaghị anọrọ onwe ya mana

mkpụrụokwu na-anọrọ onwe ya ebe ọ bụla a hụtara ya. Mgbe mkpụrụụdaasụsụ kwụrụ onwe ya a na ahụta ya ka mkpụrụasụsụ nnọrọonwe maka na nghọta ya zuru oke. Dika oge , ndụ wdg. Mgbe ọ dabere na mkpụrụụdaasụsụ ọzọ a na-akpọ ya mkpụrụasụsụ ndabe. Ọmụma atụ: "erila" nke a nwere nkeji okwu atọ e + ri + la ya bụ na "e" na "la" na-emejupụta "ri" iji nye ya nghọta. Ndimele (2003) mkpụrụasụsụ bụ ihe dị mkpa e ji akọwa mmebe okwu. Mkpụrụasụsụ bụ ụzọ dị nta e si enweta ụda ma were ya na-emebe okwu. Osuagwu, Nwaozuzu, Dike, Nwaogu na Okoro (1997) na-akọwa mkpụrụasụsụ di ka irighiri okwu a na-enweta n'asụsụ nke nwere nghọta. Ume, Ugoji na Dike (2006) na-ekwu na mkpụrụasụsụ bụ irighiri okwu kachasị nta ma nwee nghọta n'asụsụ ọ bụla. Ọ bụ nke a kpatara saynesị asụsụ jiri na-elekwasị anya n'ọdịdị ụtọasụsụ. Demson (2008) na-akọwa mkpụrụasụsụ dị ka irighiri mkpụrụasụsụ kachasị nta maa nwekwa nghọta. Ọ bụ n'ihi nke a mere e ji elekwasị anya na ya mgbe ọ bụla a na-ekwu maka ọdịdị ụtọasụsụ. Ọ bụrụ na e kewakwuo mọfịm karịa ka ọ dị na mbụ o gaghị enwekwa nghọta ọzọ. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019) na-ekwu na mkpụrụasụsụ bụ ụda ndị ahụ a haziri ahazi, okwu ndị dị karịchara ntakịri ma nwee mpụtara n'asụsụ.

Kingstan (2007), Ndimele (2003), Osuagwu, Nwaozuzu, Dike, Nwaogu na Okoro (1997), Ume, Ugoji na Dike (2006), Demson (2008) na Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019) Mkpụrụasụsụ bụ ụmụ irighiri mkpụrụokwu a na-enweta n'okwu nke nwere nghọta. Ọ bụrụ na e kewakwuo mkpụrụasụsụ karia ka ọ dị na mbụ ọ gaghị enwekwa nghọta. Nke a wee bụrụ na mkpụrụasụsụ bara nukwu uru n'asụsụ n'ihi na ọ na-ezipụta okwu kwụrụ onwe ya na nke dabere n'okwu ibe ya.

2.3 Myiri dị na Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ

Collins (2008) depụtara myiri dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ.

(1) Ọ bụ mkpụrụedemede ka e ji emebe mkpụrụụdaasụsụ na mkpurụasụsụ.

Ọmụma atụ: (1)

Mkpụrụụdaasụsu

i. ude /d/ (pomade)
ute /t/ (mat)
ii. ebe /b/ (place)
ele /l/ (antelope)
iii. afụ /ʊ/ (half kobo)
afọ /ɔ/ (year)
iv. anya /a/ (eye)
ọnya /ɔ/ (trap)
v. akpa /ƥ/ (bag)
akwa /kw/ (cry)

Mkpụrụasụsụ

i. e – ri – la = erila (don't eat)
ii.n – ri = nri (food)
iii.ga – ghị = gaghị (did not go)
iv. bu – da = buda (carry down)
v. ba – a = baa (go inside)

N'ọmụma atụ ndị a e wepụtara, o doro anya ihe niile e dere na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ bụ mkpụrụedemede ka e ji na-ede ya.

2) Mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ na-enye nghọta na mkpụrụokwu ọ bụla ha batara.

Ọmụma atụ: (2)

Mkpụrụụdaasụsụ		Mkpụrụasụsụ		
i.	eze /z/ (teeth)	i.	ti – nye = tinye	(put)
	ese /s/ inquiry	ii.	kwu – o = kwuo	(talk)
ii.	udu /u/ (talking pot)	iii.	ba – a = baa	(go inside)
	ude /ɛ/ (pomade)			
iii.	ohi /ɦ/ (thief)			
	opi /p/ (horn)			

N'ebe a , mkpụrụụdaasụsụ ndị tinyere nghọta dị iche n'okwu ha batara gụnyere: /z/ dị na "eze" na /s/ dị na "ese", /u/ dị na "udu" na /ɛ/ dị na 'ude" na /ɦ/ dị na "ohi" na /p/ dị na "opi". Ya mere e jiri si na mkpụrụụdaasụsụ na-enye nghọta n'okwu ọ batara na ya. Ọ bụrụ na e wepụ mkpụrụụdaasụsụ ndị a, echiche ha agaghịzi ezu oke n'ahịrịokwu ọ bụla ha batara. Mkpụrụasụsụ anyị ghọpụtara bụ: "tinye, kwuo na baa". N'ebe a, ọ bụrụ na e wepụ "ti" dị na "tinye", ihe anyị ga-enweta bụ "nye" ọ bụ mgbe mkpụrụasụsụ "ti" batara na ya ka ọ ga-enwe echiche zuru oke. etu a ka ọ dịkwa na mkpụrụokwu ndị ọzọ.

2.4 Ndịiche dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ

Penning (1996) wepụtara ndịiche ndị e nwere na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ.

(1) Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) bụ ụmụ irighiri mkpụrụokwu nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma ọ bụrụ na e kewapụta ya n'okwu ma ọ bụ na mkpụrụokwu ọ dị na ya. O nwekwara otu mkpụrụokwu ga-esi dị ọ gaghịkwa ekwe nkeri. Ọnọdụ dị otu a na-eme mkpụrụokwu ahụ ọ bụrụ mkpụrụasụsụ n'ihi na e keribe ya (ụdịrị mkpụrụokwu ahụ) ọ dighị ihe ọ bụla a ga-esi na ya kewapụtakwa ọzọ. Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) na-enwe nghọta ma nwekwuazi ụda ma ọ bụrụ na ọ kwụrụ onwe ya ma ọ bụ e kewapụta ya n'okwu. Mana mkpụrụụdaasụsụ (Fọnịm) agaghị enwe ike kwụrụ onwe ya. E kewapụta ya n'okwu, ọ naghị enwe nghọta. Ọ bụ n'ime okwu ma ọ bụ mkpụrụokwu ọ dị n'ime ya ka nghọta ya na-adị. Nghọta mkpụrụụdaasụsụ na-ada mmiri ma a chọọ ikewapụtacha ya iche. Mana, ọ dighị otu ahụ na mkpụrụasụsụ n'ihi na nghọta mkpụrụasụsụ anaghị emi ala ma e kewapụta ya.

Ọmụma atụ: (3)

Mkpụrụụdaasụsụ		Mkpụrụasụsụ	
i.	uwe /w/ (shirt)	i.	de – e = dee
	(write)		

	ule /l/ (exam) (eat)	ii.	ri – e = rie
ii.	ezu /z/ (to thief) (go) efu /f/ (zero)	iii.	ga – a = gaa
iii.	egbe /ɓ/ (gun) ede /d/ writing		

2) Mkpụrụedemede ọ bụla nwere ike ị bụ mkpụrụụdaasụsụ (fọnịm) mana ọ bụghị mkpụrụedemede ọ bụla nwere ike ị bụ mkpụrụasụsụ (mọfịm).
ọmụma atụ: (4)

	Mkpụrụụdaasụsụ	Mkpụrụasụsụ
i.	agwa /gw/ beans akwa /kw/ cloth	i. ri – go = rigo (go up) ii. gbu – o = gbuo (kill)
ii.	anụ /n/ (meat) aṅụ /ŋ/ (bee)	iii.ri – da = rida (go down) iv. bia – ghị = biaghị (did not come)
iii.	ube /b/ (pear) uze /z/ (bush meat)	
iv.	ọṅụ /ɔ/ (joy) aṅụ /a/ (bee)	

2.5 Atụtụ Nchọcha

Atụtụ anyị jiri mee nchọcha a bụ atụtụ nkọwa ụtọasụsụ (descriptive grammar). Nke a nyere anyị aka ịhazi ihe niile anyị chọpụtara
Opara (2000) na nkọwa ya kwuru na nkọwa ụtọasụsụ (descriptive grammar) bụ ịsa anya mmiri were hazie ma kọwa etu e siri were asụsụ eme ihe n'ọgbakọ ọ bụla. Ihe nnyocha niile na ngalaba lingwistiks bụ nkọwa. Di ka ihe ọmụmụ ngalaba sayensị, ọ na- agbasị ike ka ọ kọwaa ihe ndị mere eme, ma wezuga kwa ngbagwoju anya nke ihe echere na ọ bụ etu a ga esi mee ya.
Nkọwa ụtọasụsụ bụ ile anya n'etu ndị na-asụ asụsụ si asụ ya, e ji ya eme ihe, ma gbambọ iwepụta usoro iwu ngalaba asụsụ ahụ. Atụtụ nkọwa ụtọasụsụ bụ ngosi etu asụsụ siri dị ọ bụghị etu ụfọdụ chere ma ọ bụ chọrọ ka ọ dị.

2.6 Ntụleharị Nchọcha E merela

N'ebe a ka anyị ga-atụleharị nchọcha ndị e merela n'isiokwu a. Nchọcha ndị a Nwabuko (2015) na Nwaigbo na Okebara (2014) mere na isiokwu a anyị na-eme nchọcha na ya abụghị otu ebumnuche, atụtụ nchọcha na nchọpụta nchọcha ha abụghị otu.

2.6.1 Nwabuko (2015) Na nchọcha ọ mere n'olu Uzuakọlị na nke Igbo Izugbe, Ọ chọpụtara ụda ndị ụfọdụ e nwere n'Uzuakọlị na-adghị na Igbo

Izugbe. Ọ chọpụtakwara na mkpụrụụdasụsụ mgbochiume ndị Uzuakọlị dị iri atọ, nke a bụ na o nwere mkpụrụụdaasụsụ ndị dị n'Uzuakọlị na-adighị n'Igbo Izugbe. Ha bụ: d na h. Ndịiche mkpụrụụdaasụsụ na-ebute na mkpụrụokwu nke Uzuakọlị na Igbo Izugbe.

Igbo Izugbe	Uzuakọlị	Bekee
akpụ	jiakpụ	cassava
nri	horiri	food
afọ	ahwọ	stomach
ofe	oho	soup
afere	agbụgba	plate

2.6.2 Okebaram, Oguchukwu na Nwaigbo (2014). Na nchọcha ha mere, gosipụtara ndịiche dị n'olundị Obazu Mbieri na Igbo Izugbe, ebe o metụtara mkpụrụụdaasụsụ. Ụfọdụ n'ime mkpụrụokwu ha jiri mee nchọcha n'olundị a gụnyere:

Igbo Izugbe	Ọbazụ Mbieri	Bekee
ite	ide	pot
atọ	adọ	three
ọtọ	ọdọ	naked
ekete	ekede	basket.

3.0 Ntụcha nchọpụta nchọcha

Ebe a ka anyị depụtara ihe niile a chọpụtara gbasara isiokwu a bụ " mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ: myiri ha na mkpa ha dị n'asụsụ Igbo ".

3.1 Ntụcha ihe bụ Mkpụrụụdaasụsụ

Mkpụrụụdaasụsụ bụ mkpụrụedemede na-eweta ndịiche n'otu okwu na ibe ya. Ihe e jiri mara ya bụ iweta ndịiche n'otu okwu na ibe ya.

Mkpụrụụdaasụsụ bụ ụda ndị ahụ nwere ike ibute ndịiche n'okwu ole na ole bụ ndị kaara iyi onwe ha ma n'ụdị ma na nghọta ma ewepụ naanị otu mkpụrụụdaasụsụ. N'ụzọ ọzọ, mkpụrụụdaasụsụ bụ ụda ndị ahụ na-ebute mgbanwe na nghọta n'otu mkpụrụokwu na ibe ya. A bia n'okwu abụọ ndị a /aka/ na /ara/ ọ bụ /k/ na /r/ bụ mkpụrụụdaasụsụ abụọ mere ka mgbanwe dị na nghọta ndị a.

Ọmụma atụ: (5)
Mkpụrụụdaasụsụ

i.	iko /o/	(cup)
	ike /ɛ/	(strenght)
ii.	akụ /k/	(wealth)
	atụ /t/	(chewing stick)

iii.	ncha /a/	(soap)
	nche /ɛ/	(security)
iv.	ahụ /ɦ/	(body)
	azụ /z/	(fish)
v.	ịsụ /s/	(to clear)
	ịzụ /z/	(to buy)
vi.	atọ /a/	(three)
	ọtọ /ɔ/	(naked)

3.2 Ntụcha ihe bụ Mkpụrụasụsụ

Mkpụrụasụsụ bụ mpekele okwu na-etinye nghọta na mkpụrụokwu ọ bụla ọ dị na ya. E wepụ ya, nghọta dị n'okwu ahụ ga-agbanwe. Ọ bụ mkpụrụụdaasụsụ na-emebe mkpụrụasụsụ. Mkpụrụasụsụ bụ ụmụ irighiri mkpụrụokwu a na-enweta n'okwu nke ọ ga-abụ ọ bụrụ na ọ kwụrụ onwe ya, o nwee ụda ma nwekwuazi nghọta. Mana, ghọtakwa na o nwere ụda na nghọta agaghị eme ya ka ọ bụrụ mkpụrụokwu. Ọ bụ mkpụrụasụsu na-emebe mkpụrụokwu. N'ihi nke a, mkpụrụokwu ọ bụla nwere mkpụrụasụsụ mebere ya. Otu mkpụrụasụsụ ma ọ bụ karịa nwere ike imebe mkpụrụokwu. Mgbe otu mkpụrụasụsụ na-ebe okwu bụ mgbe a na-enweghịzi ike ikeri ya dị ka mkpụrụasụsụ siri dị.

Ọmụma atụ: (6)

	Mkpụrụasụsụ	
i.	oge	(time)
ii.	che – ta = cheta	(remember)
iii.	kwu – pụ - at = kwupụta	(say it out)
iv.	mụ - ọ = mụọ	(learn)
v.	ri – e – nụ = rienụ	(eat now)
vi.	ga – ra = gara	(went to)

3.3 Izipụta myiri dị na Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ

(1) Ọ bụ mkpụrụedemede ka e ji emebe mkpụrụụdaasụsụ na mkpurụasụsụ.

Ọmụma atụ: (7)

	Mkpụrụụdaasụsu	Mkpụrụasụsụ
i.	Ude /d/ (pomade)	i. e – ri – la = erila (don't eat)
	Ute /t/ (mat)	ii. n – ri = nri (food)
ii.	Ebe /b/ (place)	iii.ga – ghị = gaghị(did not go)
	Ele /l/ (antelope)	iv. bu – da = buda (carry down)
iii.	Afụ /ʊ/ (half kobo)	v. ba – a= baa (go inside)
	Afọ /ɔ/ (year)	
iv.	Anya /a/ (eye)	
	Ọnya /ɔ/ (trap)	
v.	Akpa /ɓ/ (bag)	
	Akwa /kw/ (cry)	

N'ọmụma atụ ndị a e wepụtara, o doro anya ihe niile e dere na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ bụ mkpụrụedemede ka e ji na-ede ya.
(2) Mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ na-enye nghọta na mkpụrụokwu ọ bụla ha batara.
Ọmụma atụ: (8)

Mkpụrụụdaasụsụ		Mkpụrụasụsụ
i.	Eze /z/ (teeth)	i. ti – nye = tinye (put)
	Ese /s/ inquiry	ii. kwu – o = kwuo (talk)
ii.	Udu /u/ (talking pot)	iii. ba – a = baa (go inside)
	Ude /ɛ/ (pomade)	
iii.	Ohi /ɦ/ (thief)	
	Opi /p/ (horn)	

N'ebe a , mkpụrụụdaasụsụ ndị tinyere nghọta dị iche n'okwu ha batara gụnyere: /z/ dị na "eze" na /s/ dị na "ese", /u/ dị na "udu" na /ɛ/ dị na 'ude" na /ɦ/ dị na "ohi" na /p/ dị na "opi". Ya mere e jiri si na mkpụrụụdaasụsụ na-enye nghọta n'okwu ọ batara na ya. Ọ bụrụ na e wepụ mkpụrụụdaasụsụ ndị a, echiche ha agaghịzi ezu oke n'ahịrịokwu ọ bụla ha batara. Mkpụrụasụsụ anyị ghọpụtara bụ: "tinye, kwuo na baa". N'ebe a, ọ bụrụ na e wepụ "ti" dị na "tinye", ihe anyị ga-enweta bụ "nye" ọ bụ mgbe mkpụrụasụsụ "ti" batara na ya ka ọ ga-enwe echiche zuru oke. etu a ka ọ dịkwa na mkpụrụokwu ndị ọzọ.

3.4 Mkpa ma ọ bụ uru Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ bara n'asụsụ Igbo.

(1) Ọ na-eme ka okwu nwee nghọta ọzọ dị iche n'asụsụ Igbo. Igbo nwere mkpụrụedemede iri atọ na isii, ha niile nwere ọrụ ha na-arụ n'emebe okwu. Ọ bụrụ n'ụda ọzọ abata n'okwu, ọ ga-eme ka mkpụrụokwu ahụ gbanwee ụda ma nwee ụda ọzọ. Ụda a nwere ike ị bụ nke nwere nghọta ma ọ bụ nke enweghị nghọta, mana okwu ahụ ga agbanwe mgbe ụda ọzọ batara ya.
Ọmụma atụ: (9)

Mkpụrụụdaasụsụ			mkpụrụasụsụ
i.	anya /a/	(eye)	i. n – ri = nri (food)
	ọnya /ɔ/	(trap)	ii. ụlọ - a = ụlọ a (this house)
ii.	uwe /w/	(shirt)	iii. kwu – o = kwuo (talk)
	ule /l/	(exam)	
iii.	iko /o/	(cup)	
	ike /ɛ/	(strenght)	

(2) Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ na-enye aka imebe mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na mkpụrụụdaasụsụ ezughị ezu n'okwu, okwu ahụ agaghị enwe echiche. Ọ bụ mgbe mkpụrụụdaasụsụ zuru oke n'okwu e nwere n'asụsụ Igbo mgbe ahụ ka echiche ya ga-apụta ihe.

(3) Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ na-enye aka ịkpọpụta mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo. Ọ bụ mkpụrụụdaasụsụ na-enye aka ịkpọpụta ụda ndị e nwere na mkpụrụokwu. N'ihi na ọ bụ mkpụrụụdaasụsụ na-emebe mkpụrụasụsụ, ma were mkpụrụasụsụ na-emebe mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo. Ya mere mkpụrụụdaasụsụ ga-ezurịrị ezu n'okwu iji nye ya echiche.

(4) mkpụrụụdaasụsụ na-enye aka ị kọwa mkpụrụokwu abụọ yiri onwe ha site na i tinye ha akara ụda olu. Nke a bụ iji gosipụta na- akara ụda olu bara nnukwu uru n'asụsụ Igbo.

Ọmụma atụ: (10)

Mkpụrụụdaasụsụ

i.	ázù	(fish)
	àzú	(back)
ii.	úkwú	(huge)
	úkwù	(waist)
iii.	ísí	(head)
	ìsì	(blindness)
	ísi	(to cook)
iv	íre	(to sell)
	íré	(tongue)
v.	íbù	(to grow fat)
	íbu	(to carry)

4.0 Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha na Mmechi

Ndị nchọcha chịkọtara ihe niile ha chọpụtara etu ọ ga-edo anya ma mechie ya.

4.1 Nchikọta

Na nchọcha a bụ "Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ: Myiri ha na mkpa ọ dị n'asụsụ Igbo". Ndị nchọcha haziri nchọcha ya nke ọma n'ụdị ga-eme ka ọgụụ gụrụ gawa n'enweghị ihe mgbochi ọ bụla. Ha mere ka isiokwu ha pụta ihe nke ọma site n'ikọwasị ihe bụ Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ, Izipụta myiri dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ nakwa mkpa ma ọ bụ uru ha bara n'asụsụ Igbo. O nwekwara ebe ndị nchọcha webatara asụsụ bekee na nchọcha ha, nke a bụ iji gosipụta n'ọtụtụ ndị mere nchọcha ma ọ bụ dere akwụkwọ maka isiokwu a mere ya n'asụsụ bekee. N'ikpeazụ ndị nchọcha gbasoro usoro niile eji eme nchọcha were mee nchọcha ha.

4.2 Mmechi

Na mmechi, ndị nchọcha chọpụtara na e nwere usoro e hiwere e ji eme nchọcha nke onye ọ bụla na-eme nchọcha aghaghị ịgbaso. Usoro ndị a e mepụtara gụnyere: ụmi edemede, okwu mmalite, ntụlegharị agụmagụ, ntụcha nchọpụta

nchọcha na nchịkọta na mmechi. Ndị nchọcha gbasoro usoro ndị a e wepụtara were mee nchọcha ha.

Nchọcha a ga-enyere ndị ọzọ ga-achọ ime nchọcha na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'asụsụ ọzọ aka iji mee ihe nlere anya mgbe ha na-eme nchọcha nke ha. Ihe ndị nchọcha chọpụtara site na nchọcha ha bụ isi sekpụ ntị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ.

N'ikpeazụ, site na nchọcha a nwa akwụkwọ ọ bụla na-amaghị ihe bụ mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụụ, myiri dị na ha na uru ha bara n'asụsụ Igbo ga-amụta ya site na nchọcha a. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ọ bụghị ihe niile ka a na-esi n'aka ndị nkụzi amụta.

Edensibia

Anagbogu, P. M, Mbah, B. M and Eme, C. A (2010). *Introduction to Linguistics.*Awka:Amaka Dreams Ltd.

Bloomfield, L. (1914). *An Introduction to the Study of Language*. New York: Henry Holt andcompany.

Booij, G. E. (2012). *An Introduction to Linguistics Morphology*. Ibadan: Oxford Universitypress.

Crystal, D. (2005). *How Language Works*. Overlook press.

Crystal, D. (2003). *The Cambridge Encylopedia of the English language, 2nd edition*.Cambridge universty.

Collins, B. I. M (2008). Practical Phonetics And Phonology A Resource Book For Students. Oxon: Routledge.

Demson, C. F. (2008). *Igbo Ọgbara Ọhụụ Maka Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo*.Aba: dems books publishers Aba, NIG.

Dixon, R. M. W (2009). *Basic Linguistic theory volum 1. Methodology*. Ibadan: OxfordUniversity.

Kingstan, J. (2007). The phonetics phonology interface: The cambridge hand book of phonology.Ed. By paulde lacy. Cambridge: University press.

Lyons, J. (1981). *Language and Linguistics*. Cambridge University.

Mbah, B. M. and Mbah, E. E. (2010). *Topics in phonetics and phonology*. A P Express publisherObollo Road Nsukka, Nig.

Murray, T. E. (1995). *The structure of English: phonetics, phonology and morphology*. Allynand Bacon limited.

Nathan, G. S. (2008). *Phonology: A cognitive grammar introduction*. John Benjamins.

Ndimele, O. (2003). *Morphology and syntax.*Port Harcourt:M and J Grand Orbitcommunication Ltd

Nwabuko, N. E. (2015). *Mkpụrụụdaasụsụ olu Uzuakol*i. Ngalaba ọmụmụ asụsụ Naijiria naLingwistiks. Owere:Alvan Ikoku:.

Odden, D. (2013). *Introducing Phonology 2nd ed*. Cambridge University.

Opara, S. C (2016). *Applied English Linguistics*. Owerri: Gabtony and Associates Ltd.

Okebaram, G.C, Oguchukwu, N. C. na Nwaigbo, O. I. (2014). *Ntụleriịkọta mkpụrụụdaasụsụolundị Obazụ Mbieri na Ehime Mbano.* Owere: Ngalaba na-amụ asụsụ Naijiria nke A.I.F.C.E.

Osuagwu, B. I. N, Nwaozuzu, G. I, Dike, G. A, Nwaogu, V. N and Okoro, L. O (1997).*Fundamentals Linguistics*. Colon concept Ltd, Owerri Nig.

Penning, T. M. C (1996). *Phonology in English Language Teaching Londres*. Addison Wesleylongman limited.

Roach, P. (2000). *English phonetics and phonology: a practical course.* Cambridge: CambridgeUniversity press.

Trask, R. L (2004). *A dictionary of phonetics and phonology*. Routledge.

Ume, I. A. O, Ugoji, J. U and Dike, G. A (2006). *Ụmị nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Owerri: Ark publishers.

Umeodinka, A. U, Ugochukwu, C. N, Ogwudile, C. E. C na Ilechukwu, D. I (2019). *KpọkọpịỤtọasụsụ Igbo na Ntụgharị*. Owerri: Divine press.

Whitla, W. (2010). The English Hand book. Wiley-Blackwell.